ỊGBA ALỤKWAGHỊM N'ALA IGBO: MKPATARA NA MGBANWE N'OGE UGBU A

Ifeyinwa Cordelia Isidienu
Nnamdi Azikiwe University, Awka
ic.isidienu@unizik**.edu.ng**

Anthonia Chinyere Ephraim-Chukwu
Nnamdi Azikiwe University, Awka
ac.ephraim-chukwu@unizik.edu.ng

na
Ann Chinazo Onyekelu
Nnamdi Azikiwe University, Awka
ac.onyekelu@unizik.edu.com

Ụmị
Igba alụkwaghịm bụ igbasa alụmdi na nwunye n'ụzọ iwu kwadoro. Ọ bụ ịkwụsị mmekọrịta na ọrụ dị n'etiti di na nwunye. Igba alụkwaghịm na-abụ ihe na-agbakwoju anya ma bụrụkwa ọnọdụ ọjọọ na-emetụta n'obi na n'ime mmụọ. N'ihi ajọ ọnọdụ igba alụkwaghịm na-eweta ka nchọcha a ji leba anya n'ihe na-ebute oke igba alụkwaghịm na nsogbu o na-eweta n'oge ugbu a; tinyere ihe a ga-eme ka ọnọdụ ọjọọ a wee belata. A gụrụ akwụkwọ dị iche iche ndị ode derela gbasara isiokwu nchọcha a. E sitere n'igba ndị mmadụ ajụjụ ọnụ were chịkọta ihe e ji mee nchọcha a. E sitekwara n'ihe ndị a hụrụ anya na nleru anya were chịkọta ihe e ji mee nchọcha a. A chọpụtara n'ihe kacha ebute igba alụkwaghịm n'oge ugbu a bụ enweghị nghọta na ntukwasịobi n'etiti di maọbụ nwunye nke na-ebute okwu na ụka n'etiti ha nakwa ndị ntorobọbịa e nweghị ezi ọzụzụ gbasara alụmdi na nwunye tupu ha a banye n'ime ya. O kwesiri ka ndị banyere n'alụmdi na nwunye mụọọ onwe ha nke ọma, nwee nghọta na ezi ntụkwasị obi n'etiti onwe ha. Ọ bụrụ na di na nwunye hazie onwe ha nke ọma, were udo na ịhụnanya na-ebi ndụ ha, ọ ga-eme ka igba alụkwaghịm bụrụ akụkọ mgbe gboo.

Ọkpụrụkpụ okwu: Igba Alụkwaghịm, Ala Igbo, Mkpatara, Mgbanwe, Oge Ugbu a

Abstract
Divorce is the lawful termination of a marriage. It is the dissolution of marital bond and responsibility between husband and wife. Divorce is complex issue, and it's often emotionally challenging. It is based on the problems associated with divorce that this research work is set to embark on investigating the causes and problems of divorce in the contemporary society and to proffer solutions to reduce it. A review of related literature was done. Data for the study was collected through oral interview. Also watching and observation of events are part the instruments for data collection. At the end of the research, this work found out that, the major causes of divorce in the contemporary society are lack of understanding and trust which breeds catastrophe among couples. It is suggested that couples should study themselves very well, should have good understanding and trust before embarking on marriage. If couples will be able to put themselves together, live in peace and love, divorce will be a thing of the past.

Key Words: Divorce, Igbo land, Causes, Changes and Contemporary Society

1.0 Ndubanye

Igba alụkwaghịm n'ala Igbo dịka ọ dị na mpaghara ala Nịajirịa ndị ọzọ bụ ihe na-echuzị ndị mmadụ ụra. N'ala Igbo n'oge gboo, ndị mmadụ na-agbarụ ihu nke ukwuu ma ọ bụrụ na ọnọdụ igba alụkwaghịm dapụta maka na ndị Igbo weere alụmalụ na ezinaụlọ dịka ihe pụrụ iche. N'oge dị ugbu a, mmepe na enweghị ezi ntụkwasị obi n'ebe di na nwunye nọ emeela ka igba alụkwaghịm bụrụ ihe na-arịzị ibe ya elu. Igba alụkwaghịm bụ ọnọdụ na-apụta ihe mgbe nsogbu dapụtara n'etiti di na nwunye. Mgbe nsogbu n'ụdị ọbụla dapụtara, di na nwunye, maọbụ otu onye n'ime ha na-agbalisi ike ka e dozie ọnọdụ ahụ. Ọ karịa ha, ha na-eme ka nne na nna ha mata ihe na-aga n'etiti ha. Nne na nna ha ga-agbalị ike ha idozi okwu ahụ, ọ karịa ha, ụmụnne ga-etinye ọnụ. Ọ karịa ha, ogbe na obodo na-etinyekawa ọnụ iji hụ na-enwere udo na-etiti di na nwunye. Achebe (1958) obodo Umuofia gbakoro n'iro obodo ebe mmuonwu egwugwu no we dozie okwu diiri mgbafo na di ya bu Odukwe**.** Mgbe okwu enweghị isi, a gbaa alụkwaghịm. Igba alụkwaghịm na-abụ ihe mwute dịịrị ezinaụlọ nke nwoke na ezinaụlọ nke nwaanyị; ma na-eweta ọnọdụ ọjọọ dị iche iche. Ịchọpụta ihe a ga-eme iji belata igba alụkwaghịm, ka nchọcha a, ji dị mkpa n'oge ugbu a.

2.0 Ihe Ịgba Alụkwaghịm Pụtara

Di na nwunye anaghị anọkata pụta kwue na ha agazighị alụ onwe ha n'enweghị ihe kpatara ya; n'ihi na ndị Igbo kwuru okwu sị na awọ anaghị agba ọsọ ehihie n'efu, pụtara n'ihe anaghị eme na nkịtị. Nwaanyị ọbụla a na-alụ nke ọma adịkwaghị anọkata sị na ya agaghị alụzị di ya. Ihe nwere ike iweta igba alụkwaghịm n'etiti di na nwunye na-abụ ihe siri nnukwu ike nke ha onwe ha apụghị ịnagidenwu na ndụ. Ifeka, (2019) kwuru na ọ bụ ezie na, "ezinaụlọ ụmụ ha lụrụ di na nwunye anaghị atụ anya mgbasa ụmụ ha, kama na etu o sila dị nsogbu dapụta n'ezinaụlọ wee na-achọ ka ọ ga-eri isi otu onye n'ime ha, ezinaụlọ abụọ ọ gbasatara akwado ka ụmụ ha gbasaa." Dịka Ugorji na Wogu (2025) siri kọwapụta echiche Chinyere Udoma gbasara igba alụkwaghịm, O kwuru na ya anaghị akwado igba alụkwaghịm mana onye chọpụta na nke ya adabaghị, ọ pụta. O kwuru na ọ ka mma mmadụ abụọ ahụ ịdị ndụ kọọ ka ha na ije siri gaa. Ya bụ n'igba alụkwaghịm bụ ikewa alụmdi na nwunye. Iweta mmekọrịta di n'etiti di na nwunye njedebe. Mgbe di na nwunye bi n'ụlọ wee mụta nwa maọbụ na ha amụtaghị nwa wee see okwu nke ekweghị ndozi, otu onye nwere ike igba ibe ya alụkwaghịm iji gosi na ya achọghịzi ịlụ di na nwunye ahụ ọzọ. Anozie (2003:98-99) kwuru na "igba alụkwaghịm bụ mgbasa alụmdi na nwunye, nke na-eweta alụmdi na nwunye na njedebe." Ọ gara n'ihu sị na-abịa n'ala Igbo,

> A naghị enwekarị nsogbu alụkwaghịm n'ihi na nne na nna, ụmụnna na ụmụnne niile mmadụ abụọ na-ese okwu na-etinye aka n'ịchọ udo n'etiti di na nwunye iji gbanahụ alụkwaghịm. Ha na-adị na-enye ndụmọdụ, na-akuziri ha abụọ ọrụ dịịrị ha n'ezinaụlọ ha ma na-enyekwa nra ma ọ bụrụ na o nwere onye meghere na ha abụọ. Ọ bụrụ na ndị a niile anwachaa oko ha, mana nwoke maọbụ nwaanyị sịrị n'afọ ejula ya n'ọnọdụ ha abụọ, nwoke na-eduru nwaanyị ahụ dulaara ndị be ha ma si otu a jụ nwaanyị ahụ. Nwaanyị dị otu a ga-esorokwa nne na nna ya biri ruo mgbe nwoke ọzọ ga-abịa lụọ ya.

Oge ụfọdụ, esemokwu di na nwunye na-adịgide ogologo oge nke mere na ọtụtụ mmadụ agbalaa mbọ ka e dozie okwu ahụ ma akụ atụtaghị eleke ntịọba. Nzeako (1979:30) kọwara na a bịa

n'omenala lgbo, mgbe di maọbụ nwunye kwuru na ya agaghị alụkwa ọzọ, a gbaa alụkwaghịm ka ha abụọ nwee ịke ịlụ onye ọzọ masịrị ha. Nzeako (1979) kọwakwara n'omenala ndị lgbo kwenyere ma kwenyesie ike na mmadụ abụọ kwetara na ha ga-alụ di na nwunye nwekwara ike ikwekọrịta na ha agaghị alụkwa ọzọ, otu onye agbaa ibe ya alụkwaghịm. N'otu aka ahụ, ka Ekwealor (1998:49) jiri sị na "mgbe di na nwunye enweghịkwa ike ịnagide onwe ha, otu n'ime ha nwere ike gbaa ibe ya alụkwaghịm." Ihe nkọwa Ekwealor na-egosi bụ n'ịgba alụkwaghịm bụ enweghị nnagide n'ebe di na nwunye nọ. Dị na nwunye anaghị esi n'otu ezinaụlọ apụta. Ọ dịghịkwa mgbe o ji bụrụ otu ụdịrị ọzụzụ ka e nyere di na nwunye malite n'oge ha dị na nwata. Mgbe di na nwunye enweghị ike idi onwe ha, nabata omume ha, ma weere nwanyọ na-agbaziri onwe ha, ịgba alụkwaghịm na-eji ọsọ bịa weghara ọnọdụ.

Nwaanyị nwekwara ike isi be di ya gbapụ ọsọ, gbalaa be nna ya. Ubesie (2004:63) kọwara "na mgbe nwaanyị gbalatara ọsọ be nna ya wee si na ya ji obi ya kwuo na ya agaghịkwa alaghachi na be di ya, ọ na-agwa ndị mụrụ ya ka ha mata na ịlaghachi na be nwoke ahụ dịka ọ bụ ọkụ mmụọ ka ọ na-eje." Ọ gakwara n'ihu kwue na, di nwaanyị ahụ na,

> ụmụnna ya buru mmanya bịa, ndị nwe nwunye ya ga-asị ha buru mmanya ha jewe, na ha achọghị. Ụbọchị ha bịara ọzọ, ha ga-ajụkwa mmanya ọzọ, jiri ilu gwa ha ka ha weere ire ha gụọ eze ha ọnụ, mara na ihe gbasara ọgọ ebieela n'etiti ha. Ha nwere ike ịsị ha, 'Anyị agwala unu ka unu buru mmanya unu jewe, na anyị achọkwaghị ịnụ mmanya unu ọzọ. Ahụ edoghị na nke anyị ṅụrụ aṅụ.' Onye a gwara ụdị okwu a, ọ bụrụ na o jighi uche ya mara na a sị ya jee chọwa nwaanyị ọzọ ọ ga-alụ, ya na chi ya ma. Ihe ọzọ a ga-atụwa anya ya bụ ụbọchị ndị nwe nwunye ya ga-asị ya bịa were ihe ọbụla o mefuru wee lụọ nwa ha; na ha agaghị ejide abụọ, nke bụ na ha agaghị akpọrọ nwa ha, jidekwa ego e mere n'isi ya.

Ọ bụrụ na nwaanyị ejiri ọsọ gbala be nna ya, nwoke na-alụ ya e wee kpọrọ ụmụnna ma bụrụ mmanya bịa ikpọrọ nwunye ya, ndị ọgọ ya ewee jụ ịkpọnye ya nwa ha nwaanyị, a mara na ihe gbasara ọgọ ebiela n'etiti ha n'ihi n'ahụ edoghị ha na mmanya nke ha ṅụrụ aṅụ, ihe ọzọ ga-esochi ya bụ na ndị be nke nwaanyị ga-ewere ego e mere n'isi nwa ha nwaanyị nyeghachị ndị be nke nwoke. N'obodo ụfọdụ n'ala lgbo, oge e ji akwụghachị ngọ nwaanyị bụ mgbe di ọzọ chọrọ ịlụ nwaanyị ahụ. Oge nna nke nwaanyị chọrọ ịkwụghachi di nke nwaanyị ngọ, a na-akpọ onye akaebe ka ọ bịa were ego e mere n'isi nwa ya.

Mgbe ụfọdụ, ike nwere ike gwụọ di maọbụ nwunye na mbikọ ọnụ ha bikọrọ. N'ihi nke a, ka Osuagwu (1979:49-50) n'echiche ya jiri kpebie "n'ịgba alụkwaghịm bụ di na nwunye ikewa ka onye ọ bụla nọọrọ onwe ya." BBC Igbo kwadoro echiche a mgbe ha kwuru na "Alụkwaghịm n'ala Igbo pụtara na di na nwunye ahụ ekwenyela na-enweghịzị ihe ga-ejikọ ha na ezinaụlọ ha karịa ụmụ ha." Tupu di na nwunye ekewaa, ndị okenye ga-eleba anya n'okwu ahụ na-esere ha. A chọpụta n'ikpe mara nke nwaanyị n'ezie bụ ihe ga-eweta nkewa, ọ bụrụ na e kewaa site n'ụdị a, nwoke ewee kpọlaara nwaanyị nna mụrụ ya, a gaghị akwụghachi ngọ nwaanyị a rukwaa mgbe di ọzọ chọrọ ịlụ nwaanyị a. Mana ọ bụrụ nwaanyị ji aka ya gbaa nwoke alụkwaghịm, nna nke nwaanyị ga-akwụghachi di ya ngọ ọ kwụrụ n'isi nwa ya. Mgbe ọbụla di na nwunye nọ n'alụmalụ kewara ka onye ọbụla gawara onwe ya, a mara na alụmalụ ahụ adaala kpam kpam.

Igba alụkwaghịm bụkwa di maọbụ nwunye ịjụ na ya agaghị alụzị onye nke ọzọ. Dịka Onuora (2021:444) siri kwue, ọ sịrị "n'igba alụkwaghịm bụ mgbasa nke di na nwunye site n'ojụjụ otu onye jụrụ onye nke ọzọ." Ọ bụrụ na nwoke maọbụ nwaanyị malitere igba n'ezi, a mara na ha anaghị eme ihe kwesịrị ekwesị. Osuagwu (1979:49-50) kọwara na ndị lgbo hụtara ịkwa iko dị ka ihe ọjọọ. Ọ bụrụ na nwoke achọpụta na nwunye ya na-akwa iko n'iro, ọ ga-eme mkpesa n'aka ụmụnna ya. Ụmụnna mechaa nchọpụta wee hụ na ọ bụ eziokwu, ha ga-agbado ụkwụ na nke a wee kpọlaa nwaanyị a na be nna ya.

Dịka Onyekelu (2023:5) siri kọwaa na alụkwaghịm bụ mgbasa di na nwunye nke na-efegharị dịka ajọ ikuku, na-efesa ọnọdụ ezinaụlọ ma butekwa ihe ọjọọ nye onye ọbụla nọ n'ezinaụlọ ahụ, ọkachasi n'ebe ụmụaka nọ. Akparamaagwa ụmụaka a mụrụ n'ezinaụlọ a gbara alụkwaghịm na-adị iche na-ebutekwa ịla azụ n'ihe gbasra omume. N'iga n'ihu, igba alụkwaghịm bụ usoro iwu kwadoro maka ịkwụsị njikọ alụmdi na nwunye. Nke a metụtara ikike ụmụaka, nkesa ihe onwunwe na nkwado. Ọ bụ n'ihi nke a, ka Okey – Agbo, Akaeze, Iwuala, & Achebe, (2023) jiri kwuo "n'ịgba alụkwaghịm bụ di na nwunye e jikọrọ ọnụ n'ụzọ iwu kwadoro ijiri aka ha tọsaa maọbụ kewaa onwe ha na ha anaghị alụ maọbụ ebi ka di na nwunye ọzọ." Ha kwuru na ọ bụ nkewa di na nwunye mgbe ha enweghị ike ịnagide onwe ha ka ana-akpọ igba alụkwaghị. Ha kwukwara n'ịgba alụkwaghịm bụ ihe na-adapụta na ndụ di na nwunye mgbe nsogbu na esemokwu nọzị n'elu ọjị nke na ọ dighịkwa onye n'ime ha abụọ chọrọ udo, ihe onye ọbụla chọrọ bụ mgbasa. Igba alụkwaghịm abụghị naanị ikewa di na nwunye kama ọ na-emetụta ezinaụlọ dum na mmekọrịta mmadụ na ibe ya ma na-ewetara ezinaụlọ abụọ ihe ihere; nke a mere igba alụkwaghịm ji abụ ihe ikpeazụ a na-eme. N'oge gboo, ụmụnwaanyị anaghị agbakebe alụkwaghịm n'ihi egwu na mkparị ndị mmadụ mana ugbu a agụmakwụkwọ enyela ụmụnwaanyị ike ịpụ n'alụmdi na nwunye jupụtara n'ọchịchịrị.

3.0 Ihe na-ebute Ịgba Alụkwaghịm

Ọ nwere ọtụtụ ihe nwere ịke ime ka di na nwunye gbaa onwe ha alụkwaghịm. Nke a na-amalite mgbe nwoke maọbụ nwaanyị na-aṅubiga mmanya oke ma were anya mmanya na-eti nwunye ya ihe kwa ụbọchị. Nke a ga-eme ka nwaanyị gbaa di ya alụkwaghịm ka o zuo ike ma were ndụ ya mere ihe makana nwoke malite ṅụba mmanya n'ụdị ọ ṅụchaa ọ dachie ụzọ, na-eweta ihe ihere nye nwaanyị ọ na-alụ. Ọnọdụ a na-etinyekarị nwaanyị n'ụjọ dị egwu.

Okafo (2009:348) kwuru na a bịa n'ala lgbo, e nwere ọtụtụ ihe bara ụba nwere ike ibute igba alụkwaghịm. Ọnọdụ ọjọọ a nwere ịke site n'aka nwoke maọbụ n'aka nwaanyị. O kwuru na nwaanyị isi ajọ nri maọbụ anaghị arụ ọrụ dịịrị ya, nwoke ịda ogbenye, oke ọchịchọ, ọrịa, nwaanyị ịchọpụta na di ya abụghị nwoke bụ ihe ndị nwere ike iweta igba alụkwaghị m. Mgbe ụfọdụ, ihe ụmụnwaanyị na ụmụnwoke na-ahụ n'alụmalụ taa mere ha ejighị akwụdonwu n'ime ya n'ihi na mgbe a na-akwado ibanye n'alụmalụ, ụfọdụ ụmụnwoke na ụmụnwaanyị na-ezochi akparamagwa ọjọọ ha nwere. Ha lụzie onwe ha, agwa ọjọọ ndị a apụtawazie ihe. A bịakwa n'ala Igbo n'oge gboo, amụtaghị nwa sokwa n'ihe nwoke maọbụ nwaanyị ji agba ibe ya alụkwaghịm, ọ kachasi mgbe nwoke maọbụ nwaanyị chọpụtara na nsogbu ahụ esighị ya n'aka, otu onye n'ime ha nwere ike ịgba ibe ya alụkwaghịm.

Ihe ọzọ nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm bụ oke nrịanrịa. Ọtụtụ mgbe ka oke ọrịa na-ebutekarịrị di na nwunye ịgba alụkwaghịm n'ihi na mgbe a gwọkatara ọrịa ma o kweghị ngwọta, nke a na-eme ka otu onye n'ime ha chọba ụzọ ya site n'ịgba alụkwaghịm. Ọzọ, mgbe nwoke maọbụ nwaanyị malitere kpaba nsi ma bubatawa arụsị n'ụlọ, nke a nwekwara ike ime ka ha gbaa onwe ha alụkwaghịm. Ihe ọzọ nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm bụ amụtaghị nwa nwoke maọbụ amụtaghị nwa ma ncha. Ọ bụrụ na nwoke gbaa nwunye ya alụkwaghịm n'ihi amụtaghị nwa nwoke, ọ gaghị anata ngọ ya ma ọ bụghị mgbe nwaanyị ahụ lụrụ di ọzọ. Ihe dị etu a mere na nwoke na nwaanyị ọbụla achọghị ịgba alụkwaghịm na-ekpebi ka ha lụta nwaanyị ọzọ. Ekwealor (1998:49) kwadoro echiche a site n'ikwupụtakwa ihe ndị a, dịka ihe nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm bụga: Nwoke maọbụ nwaanyị ịgba n'ezi, Nwoke ịnụbiga mmanya oke, Nwoke iti nwunye ya ihe oge niile, mgbe ụfọdụ amụtaghị nwa na-eweta ịgba alụkwaghịm, nwoke maọbụ nwaanyị izu ohi, di na nwunye enweghị ogologo ntachi obi, ịrịa ọrịa ogologo oge, ịkpa nsị, ịlụ di maọbụ nwunye na nwata, ume ọmụmụ, ịta amoosu. BBC Igbo (2018) kwuru na nwaanyị ịgba n'ezi so n'ihe na-ebute ịgba alụkwaghịm. Ha kọwara n'ịgba n'ezi bụ njọ nye Chukwu, ọha, ezinaụlọ, di maọbụ nwunye onye gbara n'ezi. Ha kwukwara n'abịa n'obodo ụfọdụ n'ala Igbo, na nwunye mmadụ gbaa n'ezi, di ya anwụọ maọbụ ihe ọjọọ emee ya. Ọ bụ nke a mere e ji ahapụ ka a gbaa alụkwaghịm ma otu onye gbaa n'ezi ka ihe ọjọọ ghara ime.

Onumba (2015:181) kọwapụtara n'echiche ya, ihe ndị ọzọ nwere ike ibute igba alụkwaghịm bụ n'ọtụtụ mgbe ndị lụrụ di na nwunye anaghị eledo onwe ha anya nkeọma dịka o kwesịrị n'ihi na ụmụnwoke ụfọdụ na-ahapụ ọrụ dịịrị ha n'ebe nwunye ha nọ dị ka ịlekọta nwunye ha anya nkeọma iji gosị na ọ bụ nke ha n'ezie. Otu ọkaikpe, a gbara ajụjụ ọnụ, kwuru na ọtụtụ mkpesa ha na anata n'ụlọ lkpe bụ na nwoke na nwaanyị anaghị elekọta onwe ha anya, ọ bụ ya kpatara ịgba alụkwaghịm ji bawanye n'oge ugbu a.

Ịlụ di na nwunye na nwata na-ere isi abụọ n'ihi n'ụfọdụ topụtazie wee chọpụta na ha enweghị ịhụnanya n'ime onwe ha, ha ga-agbasa. N'oge gboo, nwata nwaanyị dị afọ iri na abụọ na-alụ di mana o too o bido nyebe di ya na ezinaụlọ ya nsogbu n'ihi na ọ lụghị onye o kwesịrị ịlụ. Ọzọ, ọ bụrụ na ndị ọgbọ ya ụmụnwoke malite kọọ ya ọnụ maọbụ leda ya anya, nke a ga-eme ka ọ chọọ ịlaghachị be nna ya ma site na nke a gbaa di ya alụkwaghịm. lhe na-ebutekarị nke a bụ nkọcha na-esite n'aka ndị mmadụ maọbụ ige asịrị ndị mmadụ.

Ụkọ ego maọbụ ịda ụbịam so n'ihe na-eweta alụkwaghịm maka na ụfọdụ ụmụ nwaanyị na-alụ nwoke n'ihi ego o nwere. Mgbe nwoke enweghịzi ego dịka a tụrụ anya, ọnọdụ a nwere ike idubanye ha n'ịgba alụkwaghịm tupu otu onye n'ime ha egbuo ibe ya.

Ọtụtụ mgbe ka ndị nne na nna ụfọdụ na-eji aka ha akwanye ụmụ ha nwaanyị ịlụ di na nwata n'ihi akpịrị ego. Mgbe ụfọdụ, ha na-ahụtakwara ụmụ ha ndị nwoke nwaanyị n'ihi akụnaụba ezinaụlọ nke nwaanyị nwere. Ụfọdụ ụmụ nwaanyị ndị a, anaghị eji obi ha ekweta n'ihi na ha enweghị ịhụnanya n'ime ha.

A bịa n'akụkụ ụmụ nwaanyị a kwanyeere agadi nwoke ka ha lụba ha mgbe ha dị na nwata ga-amalite ime mpu dị iche iche iji gosị na-alụmalụ ahụ amasighị ha. Mgbe ụfọdụ, ha esi na be nwoke ahụ gbapụ laa ebe di anya.

Ọtụtụ ndị nne na nna, ọ kachasị ndị nne, abụrụla ogwu na-adụ ụmụ ha nwaanyị n'alụmalụ n'ihi etu ha si etinye anya n'ụzọ jọrọ njọ imegide di maọbụ nwunye ndị ọgọ nwoke maọbụ ndị ọgọ

nwaanyị site n'iso tisaa ezinaụlọ ha maka na ha chọrọ ka ọ bụrụ ihe ha kwuru ka a ga-eme. N'ezie, di na nwunye ọ bụla kwesịrị ka e nye ha ohere iji lụọ di na nwunye ha etu ha siri chọọ n'ihi na onye nke atọ bata n'etiti ha, o butere ha nsogbu nwere ike iweta alụkwaghịm.

Ihe ọzọ bụ e nweghị ezigbo ozụzụ banyere ibi ndụ alụmdi na nwunye. N'oge gboo, anyị mara na a na-enye nwoke na nwaanyị ọzụzụ pụrụ iche tupu ha banye n'alụmdi na nwunye. Ụmụ okoroọbịa na-aba mmụọnwu ebe a na-akuziri ha etu esi edi ihe ụfụ na ndụ, etu esi ezo ihe a chọghị ka nt ṅtị ọzọ nụ. N'aka nke ụmụ agbọghọbịa, a na-enye ha ezigbo ozụzụ mgbe ha na-eru mgbede, ma ọ bụ na-asọ ebe. Ogbukagu (2008), kọwara na ịsọ ebe bụ ebe mmụta dị oke mkpa n'Adazi Nnukwu niihi na ọ bụ ebe a na-azụ ụmụ agbọghọbịa dị ihe dị ka afọ iri na abụọ ruo afọ iri abụọ na otu ozụzụ n' ihe gbasara ndụ alumdi na nwunye, ka e si ebi ndụ edozi, ụlọ, ka esi abụ ezigbo amala obodo nakwa mmekọrịta mmadụ na onye agbataobi ya.

Ka o sila dị, nchọpụta site n'ihe a hụrụ na-eme n'oge ugbu a, na-egosi n'ọtụtụ di na nwunye anaghị enwe ntụkwasị obi na-ebe ibe ha nọ. Ọnọdụ dị etu a, na-eweta di maọbụ nwunye ibo onwe ha ebubo nke na-eweta nnukwu okwu na ụka n'etiti ha. Mgbe ihe dị etu a dịịrị na-aga n'ihu na-enweghị onye na-anụ ndụmọdụ, ọ na-eweta igba alụkwaghịm n'etiti di na nwunye ma tibie ụdọ mmekọrịta dị n'etiti ezinaụlọ abụọ.

4.0 Ụzọ E si Agba Alụkwaghịm N'ala Igbo

Ndị lgbo anaghị ewe alụkwaghịm dịka ezigbo ihe. Mana ha nwere ike ịkwadọ alụkwaghịm, ọ kachasi, mgbe ndị nọ n'alụmalụ na-ata ahụhụ mmadụ niile ji anya hụ. Mgbe nwoke na nwaanyị lụrụ onwe ha dịka di na nwunye nọkatara wee chọọ igba alụkwaghịm, nke a ga-eme ka ndị mmadụ malite ịjụ ase ihe butere nsogbu ha ji chọọ igba alụkwaghịm. Ọ bụrụ na nwoke na-alụ nwaanyị nọkata si na ya achọzighị ịlụ nwunye ya ọzọ, ọ ga-ebu ụzọ gwa ezinaụlọ ya, ezinaụlọ ndị ọgọ ya na ụmụnna ya ihe bụ echiche obi ya n'ebe nwunye ya nọ. Ezinaụlọ abụọ ndị a ga-ezigara onye akaebe ozi ka ọ bịa n'ihi esemokwu ahụ. Ha ga-anọkọta kpọọ mmadụ abụọ a nke a metụtara oku iji doziere ha okwu di n'etiti ha abụọ. Okafọ (2017:493) kwuru na mgbe ụfọdụ, a na-anọ na kọọtụ, ụlọikpe maọbụ ụlọ onye eze agba alụkwaghịm ma kwụghachi ihe niile e ji lụọ nwaanyị ahụ kpam kpam. Onumba (2015:182) kọwara na mgbe ụfọdụ, e nwere ike doziere ndị chọrọ igba onwe ha alụkwaghịm esemokwu mana ọ bụrụ na esemokwu ahụ ekweghị ndozite, nwoke hụ nwaanyị ọzọ dị ya mma ọ lụrụ. N'otu aka ahụkwa, nke nwaanyị hụkwa nwoke ọzọ dị ya mma ọ lụwa ya ma ọ bụrụ na a kwụghachi ego e mere n'isi ya ndị lgbo na-akpọ ngọ.

Ụfọdụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ kwuru na ọ bụrụ n'esemokwu ahụ ekweghị ndozi, nke nwaanyị ga-ala be nna ya ma hapụrụ nwoke ahụ ụmụ niile ọ mụtaara ya. Ọ bụrụkwanụ na nwaanyị ahụ ku nwa ka na-aṅụ ara n'aka, a ga-ahapụrụ ya nwa ahụ, ọ kpọrọ ya laa hapụzie ndị tolitere etolite. Mgbe nwata ahụ tolitere, ọ kpọlatara ya nna ya. Ha sịrị n'ihe kpatara nke a bụ na ndị lgbo kwenyere na nwata e ku n'aka anaghị anọ ndụ e kewaa ya na nne ya.

Ndị ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na-abịa n'ebe nwaanyị nọ, ọ bụrụ na alụmalụ ahụ ejula ya afọ nke mere na ọ dịzighị ya mma n'ahụ, ọ ga-emekwa ka nne na nna ya mara. Ọ bụ ọrụ dịịrị nne na nna ya ime ka ndị ụmụnna ha na onye akaebe mara ihe na-emenụ. Ndị ezinaụlọ nke nwaanyị ga-ezigara ndị ọgọ ha ozi maka ihe nwa ha kwuru. Ezinaụlọ abụọ ahụ ga-agba mbọ ịhụ na udo laghachiri n'etiti ha. Mana ọ bụrụ na nke a emeghị, nwaanyị ga-ekposara di ya

ụmụaka wee laa be nna ya. Dị ka omenala lgbo siri dị, a naghị akwụghachị ego e mere n'isi nwaanyị ahụ wee rue mgbe ọ lụrụ di ọzọ. Nnubia (2011:63) kwuru na a bịa n'obodo Ọzụbụlụ, ọ bụrụ na nwaanyị lụrụ di wee maa ọgọdọ, ọ gaghị amakwa ya ọzọ ma ọ gbaa di ya alụkwaghịm n'ihi na ọ maala ya na mbụ kama ọ bụ naanị ego ka di ya nke abụọ ga-emezi n'isi ya, a kwụchaa ego ahụ, e mere n'isi nwaanyị, ọ lụọ di ọzọ.

N'oge gboo, nwoke enweghị ike ịchụla nwunye ya mana ọ bụrụ na nwaanyị ahụ nwere ajọ akparamagwa, nwoke ahụ ga-akpọla ya be nna ya ka o were ndụ ya kpọrọ ihe. Mgbe ụfọdụ, a naghị eme ka nwaanyị mata na a chọrọ ịkpọla ya n'ihi na nwoke ga-amalite imeso ya omume oma ihe dị ka izụ atọ. Otu ụbọchị ọ gwa ya na ọ chọrọ ịje hụ ndị ọgọ ya na ọ ga-amasi ya ka o soro ya gaa hụ ha na-amaghị ebumnobi di ya n'ebe ọ nọ. Nwoke a ga-eburu ite mmanya ngwọ abụọ ma zokwaa akwụkwọ ube o tinyere n'akpa ya ezo ka nwunye ya ghara ịhụ ya. O rue na be nke nwaanyị dote ite mmanya ahụ wee kwughepụ ebe ahụ ọ fọnyere akwụkwọ ube tinye n'ọnụ ite mmanya ahụ, a mara na ọ chọghịzị ịlụ nwa ha ọzọ. Nke a na-egosi na alụmalụ ahụ abịala n'isi njedebe.

Okafọ (2017:492) n'echiche nke ya, kwuru na abịa n'ala lgbo, ọ bụrụ na nwata nwaanyị lụkata di gbaa ọsọ lọta be nna ya, ị mara na ụbọchị adịghị mma, na ihe mere be ndị mmụọ. Ọ bụrụ na di nwaanyị ahụ na ụmụnna ya buru mmanya gaa ugboro ugboro na be nke nwaanyị ma okwu siri ike, ị mara na ụbọchị siri ike, na ihe ga-esotezi ya bụ ịkwụghachị ngọ. Mana a bịa n'ala Igbo dum, ezinaụlọ abụọ ahụ (nke nwaanyị na nke nwoke) ga-agbakọta, tụlee ọnọdụ ahụ ọzọ, jụọ ajụjụ ma gere ihe ha nwere ikwu, taa ha ụta, dụọ ha ọdụ, tupu ha ekpebie ma alụmdi na nwunye ha a ga-ebi ka ọ gaghị ebi. Ha kpebie, ezinaụlọ abụọ ahụ ga-agbakọta n'ụlọ nna nke nwaanyị dịka ọ dị oge ha gbara nkwụ; ezinaụlọ nke nwaanyị ga-ele ha ọbịa (nye ha ọjị, mmanya na nri). Na ngwụcha nna nke nwaanyị ga-enyeghachi ha ego ole e ji kwụọ ụgwọ isi nwa ya. Bido mgbe ahụ gawa n'ihu. Alụmdi na nwunye ha akwụsịla, (BBC, Igbo, 2018).

5.0 Ọghọm Dị N'Ịgba Alụkwaghịm

Onuora (2021:445) kọwara ọghọm dị n'ịgba alụkwaghịm dịka ihe na-eweta ezigbo mmekọrịta dị n'etiti ezinaụlọ abụọ n'isi njedebe. Ọnọdụ dị etu a na-aghasa ezinaụlọ, ọ kachasi n'ebe ụmụaka a mụrụ n'ezinaụlọ nọ n'ihi enweghị ezigbo ozuzu etu o kwesịrị. Ọzọ, ọ na-emetụta akparamagwa ụmụaka ndị a maka na nke a nwere ike idubanye ha n'ime mpụ dị iche iche iche n'obodo. Ọtụtụ mgbe, nsogbu na-adapụtakarị n'ezinaụlọ na-eweta esemokwu na obi ọjọọ n'ebe ụmụaka nọ.

Mgbe ụfọdụ ịgba alụkwaghịm na-eme ka ịkwa iko na-abawanye n'ebe nwaanyị nọ n'ihi enweghị nwoke ọzọ lụchiri ya. Nke a ga-eme ka o kwụgharịwa n'ụzọ dị iche iche maka onye ahụghi ebe o bidoro aka, o bido n'ikpere. N'ihi ya ka Osuagwu (1979:51) jiri kwue n'ịgba alụkwaghịm abụghị ihe ọma, kama na ọ bụ ihe ọjọọ di na nwunye bikọtara ọnụ n'otu ụlọ ikewa onwe ha. Ịgba alụkwaghim na-emechu ihu ọgọ na ọgọ, na-ebute ndọrọndọrọ n'etiti di na nwunye n'ihi na onye ọbụla n'ime ha ga na-achọ ka ụmụaka ndi a mụtara hụ ya n'anya karia onye nke ọzọ.

Okafọ (2017:493) kọwapụtara ọtụtụ ọghọm dị n'ịgba alụkwaghịm dịka enweghị ọṅụ zuru oke n'etiti mmadụ abụọ ahụ, nkọcha na ihere n'ebe di na nwunye ahụ nọ, mgbasa maọbụ itibi ezi mmekọrịta dị n'etiti ezinaụlọ abụọ. Ụmụaka, n'akụkụ nke ọzọ, na-anwụ n'oke agụụ maọbụ zute

ọnwụ erughị eru n'ihi enweghi ezi nchekwa ezinaụlọ. Ọzọ, nwaanyị nwere ike ọ gaghị alụtazi di ọzọ ma nọrọ be nna ya kaa nka.

6.0 Mgbanwe Batara n' Ịgba alụkwaghịm

Ugbu a, alụkwaghịm abawanyela n'ala Igbo n'ihi awamanya, agụmakwụkwọ, ọchịchọ mmadụ, mgbanwe usoro obibi ndụ na ekpemekpe. N'oge gboo, ụmụnwaanyị na-adịkarị n'aka di ha ya na n'aka ezinaụlọ ha, mana ugbu a, agụmakwụkwọ, ịnweta ọrụ na inwe ego nke onwe emeela ka ụmụnwaanyị nwere onwe ha, nwee ike inwe mkpebi banyere ndụ ha ma gbanarị alụmalụ n'ụzọ ezighi ezi maọbụ nke jọgburu onwe ya. Ụfọdụ a gbara ajụjụ ọnụ kwuru na ụmụnwaanyị aghọọla ndị nweere onwe ha n'ụzọ ego, n'ihi ya, ha anaghịzị adabere na di ha. Ha kwenyere na onye ọbụla kwesịrị inwe obi ụtọ, n'ihi ya alụmalụ nyee ha mmekpa ahụ karịa, ha agbaa alụkwaghịm.

N'oge gboo, ịgba alụkwaghịm dị n'aka ndị ezinaụlọ, ụmụnna, ndị ichie maọbụ eze obodo, mana ugbu a, iwu ala enyela mmadụ ikike ịga ụlọ ikpe chọọ alụkwaghịm. Ugbu a, ụmụnwaanyị nwere ikike ịga ụlọ ikpe kagbue alụmalụ ha iji gbanahụ mmegbu, ịkwa iko, mkpagbu, mkparị, iti ihe, ịkọ ọnụ, asị, dgz. N'otu aka ahụ, ụmụnwaanyị na-enwekwa nchedo site n'iwu na site n'aka ndị NGO. N'oge dị ugbu a, e nwere NGO, ndị ọka ikpe na ndị ọrụ obodo na-akwado ndị achọghị ịnọkwa n'alụmalụ ha. A na-enye ha ntuziaka, ebe obibi na enyemaka n'ụzọ dị iche iche. Ụfọdụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ kwuru na-abịa n'oge gboo na anaghị ahụkebe ịgba alụkwaghịm n'ihi na a na-agwa ụmụnwaanyị na ha ga na-edi nsogbu ọbụla dapụtara n'alụmdi na nwunye maka ọdịmma nke ezinaụlọ ha, mana ugbu a, ihe agbanweela, ụmụnwaanyị anaghị anabatazị mmegbu n'ụzọ ọbụla.

Ịba ụba nke teknụzụ na nzikọrịta ozi emetụtala alụmalụ n'ebe ọ dị egwu. Ebe a, ndị mmadụ na-anọ tụnye ụtụ uche ha n'ihe metụtara onye ọzọ. Ụfọdụ ndị mmadụ were bụrụ ndị na-ebuputere ọhanaeze ezinaụlọ ha ka ha tụnyere ha aro ihe ha ga-eme. Ọnọdụ a na-ebute nnukwu ụtụ uche ma na-eweta nnukwu ihe so ebute esemokwu n'ezinaụlọ. Ọzọ, n'ihi echiche ọhụrụ ha na-enye banyere mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ụfọdụ di maọbụ nwunye na-atụzị anya nwoke maọbụ nwaanyị zuru oke dịka a hụrụ n'akụkọ ifo; ụzọ dị etu a, na-eduba n'imebi mmekọrịta dị n'etiti mmadụ n'ibe ya, mgbe onye ahụ emeghị omume ka ha. Ọ bụrịị eziokwu n'ụfọdụ mmadụ na-esite n'ụzọ mgbasa na nzikọrịta ọzi ọgbara ọhụrụ, Uutubu (Youtube), mgbazi ikuku (online counseling), dgz. amata ihe bụ eziokwu mana ihe ọjọọ si na ya apụta karịrị akarị.

N'ịga n'ihu, ụfọdụ ndị agbara ajụjụ ọnụ sịrị na ọ bụrụ na nwaanyị megide di ya ihe nke mere na ọ gaghị anabatazị akparamagwa ọjọọ ya, nke a ga-edubanye ya ịgba nwunye ya alụkwaghịm. Dịka ndị a gbara ajụjụ ọnụ si kwupụta, ugbu a, nwoke jizi aka ya edula nwunye ya na be nne na nna ya na-akpọghị ụmụnna ya gwa ha na ya achọghịzi ịlụ nwunye ya ọzọ. Ndị be nke nwaanyị kpọọkwa ya oku ka a mara ihe butere nsogbu, ọ gaghị aza ha oku ahụ n'ihi na o kpebiri na ọ chọzighị ịlụ nwa ha. Abịakwanụ n'aka nke nwaanyị, ọ na-akpọrọ ụmụ niile ọ mụtaara nwoke ahụ gbafuo, ya na ha ebiri ma jụ na ya agaghị alụzi di ya ọzọ. Ọ gaghịkwa ekwe ka ekpezieere ha okwu ahụ dapụtara. Ọzọ, bụ na nwoke nwere ike chụlaa nwunye ya n'aka nke ọzọ, nke nwaanyị nwere ike jiri aka ya laa be nne na nna ya maọbụ biri ebe masịrị ya. N'oge gboo, alụmalụ bụ n'etiti ezinaụlọ na obodo, mana ugbu a, di na nwunye na-ele alụmalụ anya dịka mkpebi nke onwe ha, ọ bụ ya ka ịgba alụkwaghịm jirikwa bụrụ mkpebi nke onwe ha. Ọ bụrụkwa n'oge gboo, a na-eme ka onye akaebe mara na a chọrọ ịgba alụkwaghịm. Mana n'oge

ugbu a, ụfọdụ ụmụnwoke na-agbasa alụmalụ na-emeghị ka onye akaebe mara. Oge ụfọdụ, ụmụnwoke anaghịzị achọ inwe onye akaebe n'ihi na ha achọghị ya ịbịa doziere ha okwu ọ bụla dapụtara n'etiti ha.

Dịka omenala Igbo siri dị n'oge gboo, ọ naghị adị mfe nwaanyị igba di ya alụkwaghịm, ma taa nwaanyị nwekwara ikike ikwupụta na ya achọghịzị ịnọ n'alụmalụ na-enye ya mmekpa ahụ. Iweghachikwa ego e mere n'isi nwaanyị adighịzịkwa ka ọ dị na mbụ, ugbu a, ndị be nke nwoke jụ na ha agaghị abịa were ego ha, e wepụ ya n'ụlọ ikpe. N'oge gboo kwa, ihe a na-aka elekwasa anya bụ iweghachite ego e mere n'isi nke nwaanyị, ma ugbu a, ihe kasị ndị ụlọ ikpe mkpa bụ maka ọdịmma mmadụ, ọkachasị n'ebe ụmụaka a mụtara nọ. Uru ụmụaka ga-erite, ebe ha ga-ebi na etu a ga-esi na-elekọta ha anya.

7.0 Ụzọ a ga-esi Gbochie Igba alụkwaghịm N'Ala Igbo.

Ọ bụ ihe dị nnukwu mkpa ime ka ndị chọrọ ịbanye n'ọkwa alụmdi na nwunye mata na alụmdi na nwunye anaghị atọ ka mmanụ aṅụ mgbe dum. Ụfọdụ ihe ụmụnwaanyị na-ahụ n'alụmalụ mere ọtụtụ n'ime ha ji agba alụkwaghịm. Ọ bụ ya ka o ji dị mkpa na-aga na-enye ndị ntorobịa ọzụzụ n'ihe gbasara alụmalụ, maka na ọtụtụ ndị ntorobịa amaghị ihe a tụrụ anya n'aka ha mgbe ha na-aba n'alụmalụ. N'oge gboo, omenala Igbo na-akwado ka e mee nkuzi alụmdi na nwunye site n'aka ndị okenye na nne na nna ukwu. Ọ bụ n'ihi nke a, ka a ga-eji kuziere ndị ntorobịa na-abanye n'ọkwa alụmdi na nwunye inwe ndidi, ịmụ na ighọta onwe ha nke ọma, ụzọ isi dozie esemokwu, nchịkọta ego, tinyere ezi omume dị mma e ji ebi obi ezinaụlọ. Ihe ọzọ dị mkpa bụ izipụta ịhụnanya, nkwanye ugwu na ezi ntụkwasị obi n'etiti onwe ha. Ha ga na-adụrịta onwe ha ọdụ ma nwee ike dozie okwu ọbụla dapụtara n'etiti onwe ha n'oge. Ihe ọzọ bụ na kama igba akwụkwọ n'ụlọ ikpe ozigbo, ha kwesịrị igakwuru ndị nne na nna, ndị okenye, na ndị isi ekpemekpe ha, dgz. ka ha nye aka mezie esemokwu dapụtaara ha n'oge.

Di na nwunye kwesịkwara ka ha bikọọ ọnụ n'otu ọnụ ụlọ iji gbanarị nsogbu dị iche iche. Dịka Nnubia (2011:64) siri kọwaa, di na nwunye ịbịkọọnụ n'otu ọnụ ụlọ bụ ihe mara mma nke ukwuu n'ihi na ọ na-ewepụ ọtụtụ ihe ọdachị n'ezinaụlọ. Ọ bụrụ na nwoke hapụ nwunye ya na ụmụ ya biri obodo tere aka na anaghị eleru ha anya dịka o kwesiri, nke a nwere ike ime ka nwaanyị igba n'ezi dị nọbara malite igba n'ezi. Ya mere iji gbochie alụkwaghịm, ọ bụ ihe dị oke mkpa ka ndị bi obodo tere aka gbaa mbọ hụ na ha na-alata n'izu ụka ọ bụla nọnyere ezinaụlọ ha maọbụ kpọrọ ezinaụlọ ha gaa n'ebe ahụ ha bi, ha niile ebiri. Mana nke bụ eziokwu bụ na ajọ omume dịka igba n'ezi, izu ohi, na ịlụ ọgụ na-etisa di na nwunye n'ezinaụlọ. Nwoke na nwaanyị ọbụla chọrọ ibanye n'alụmalụ ga-ahụ na ha gbanwere n'omume ha tupu a banye n'ime ya iji mee ka ezinaụlọ ha nọrọ n'udo. Ọzọ, di na nwunye kwesịrị ka ha na-ekwurịta okwu nke ọma. Ha ga-eji nwanyọ nwanyọ na-agwa onwe ha okwu, na-ege ibe ha ntị, ma na-edozị nsogbu ọbụla dapụtara n'etiti ha na-ejighị iwe.

Di na nwunye kwesịrị ịdị ike ọrụ iji gbanahụ oke ụbịam na agụụ nwere ike ibute alụkwaghịm n'etiti ha. Nna, dị ka ịde ji ụlọ, ga-agbakwa mbọ hụ na n'ezinaụlọ ya na-eriju afọ ma nọrọkwa n'udo. Ugbu a, ụmụnwaanyị anaghịzị aza oriakụ kama ọkpataakụ, Nwaanyị kwesiri ka ya na di ya jikọọ aka ọnụ hụ na ezinaụlọ ha na-aga n'ihu.

Nwoke ọ bụla nwunye ya amụtaghị nwa ekwesighị ịchụla nwunye ya n'ihi na ọ naghị atọ nwaanyị ụtọ n'obi mgbe ọ mụtaghị nwa. Iji gbochie nke a, di na nwunye a ga-ejikọta aka ọnụ

kute nwa ole ọ bụla ha chọrọ n'ebe a na-ekute nwa n'ụzọ ziri ezi ndị gọọmentị nabatara, tinyekwara usoro ọgbara ọhụrụ ndị ọzọ e si amụta nwa nke ekpemekpe ha kwadoro. Ọzọ, bụ na, ezinaụlọ abụọ ụmụ ha nọ n'alụmalụ ga na-akwado ha, na-adọ ha aka na ntị mgbe nsogbu pụtara, karịa ndọkasị na ịkpa oke. E kwesịkwara idozi nsogbu ọbụla n'ime ụlọ karịa ibupụta ya n'ezi, ka ọ ghara ịba na ntị ndị iro na ndị ntisa.

N'ịga n'ihụ, Landis (1977:58) n'echiche ya kwuru n'enweghị umeala emeela ọtụtụ ezinaụlọ taa ha anọrọ na nkewa. Di na nwunye ọ bụla kwesịrị ịdị na-enwe obi umeala n'ebe onye ọ bụla n'ime ha nọ, ọ kachasi, mgbe ihe ike dakwasara otu onye, onye nke ọzọ ga-agba mbo hụ na o jiri ndidi na-eso ọnọdụ ahụ wee rue mgbe ọ ga-apụta n'ọnọdụ ahụ. Obi erughị ala n'ezinaụlọ na-ebute ịkpọ asị na esemokwu n'etiti di na nwunye. Ya mere di na nwunye ọ bụla kwesịrị ịsọpụrụ ibe ya ma gosipụtara onwe ha ịhụnanya, ka udo wee chia n'ụlọ ha. Nwoke ga-agba mbo hụ na ọ na-egbo mkpa ego n'ụlọ ya ka ugwu ya wee zuoro ya oke.

Tupu nwoke na nwaanyị abanye n'ọkwa alụmdi na nwunye, ha ga-agba mbo hụ na ha tozuru ogo ịbanye n'alụmalụ n'ihi na nke a ga-enyere ha aka ime maọbụ chịkọta ihe ọ bụla dapụtara n'ezinaụlọ ha na-akpọghị onye nke abụọ maọbụ atọ ịbịa nyere ha aka. Etozughị etozu wee banye n'alụmalụ na-ebute ọtụtụ ihe mkpọbiụkwụ n'ezinaụlọ mana mgbe ọ bụla ha tozuru etozu, nke a ga-eme ka ezinaụlọ a na-aga n'ihu.

Mmadụ abụọ chọrọ ịlụ onwe ha ga-enye onwe ha ohere iji mụọ onwe ha ihe dị ka ọnwa isii maọbụ karịa. Ha nwekwara ike isonye n'ọzụzụ na nkuzi a na-enye n'ụlọ ụka maọbụ n'ọgbakọ ndị ọzọ gbasara alụmalụ iji nyere ha aka bie ndụ n'ezinaụlọ ha n'udo, n'ihi na ha sonye n'ihe ndị a, a ga-esite n'ụzọ a gbochie oke ịgba alụkwaghịm jụpụtara n'ezinaụlọ n'oge ugbu a.

Ọtụtụ ụmụnwoke, tinyere obodo ụfọdụ dị n'ala Igbo ka na-ahụta ụmụnwaanyị dịka ndị ekwesighị ịnwe ọnụ okwu, n'ihi nke a, e kwesịrị ịkwado mmepe na mwere onwe nke ụmụnwaanyị; n'ihi n'alụkwaghị na-apụtakarị ihe na-ebe a na-akpagbu maọbụ na-emegbu ụmụnwaanyị, ya na ebe ụmụnwaanyị enweghị okwu aka ha. A ga-akwado agụmakwụkwọ ụmụnwaanyị n'ụzọ pụrụ iche, inwe ọrụ na aka ọrụ, inwe ego nke onwe ha na ikike inwe ọnụ okwu n'ezinaụlọ. Nke a ga-enyekwara ha aka iji chịkọta ezinaụlọ ha nke ọma. Ọzọ, di na nwunye ga na-enyere onwe ha aka n'ọrụ ọbụla ha na-arụ, tinyekwara ma ọrụ ezinaụlọ; ihe ndị a, bụ ihe na-enye obi aṅụrị n'ezinaụlọ.

8.0 Nchịkọta

Nchọcha a gosiri n'ịgba alụkwaghịm abụrụla ọnọdụ na-echu ndị Igbo ụra n'oge ugbu a n'ihi na ha bụ agbụrụ ejighị alụmalụ na ezinaụlọ egwuriegwu. Ihe kacha ebute ịgba alụkwaghịm n'oge ugbu a bụ enweghị ezi ntụkwasị obi n'ebe di maọbụ nwunye nọ, oke awamanya na mmepe nke oge a, ịgba n'iro, imekpa nwaanyị ahụ, dgz. Ọ bụrụ na nsogbu dapụta n'etiti di na nwunye were na-achọ imebi ihe, ndị ezinaụlọ nke nwoke na ezinaụlọ nke nwaanyị ga-agbalị iweghachite udo. O sie ike, ndị ụmụnna na onye akaebe ga-esokwa tụnye ụtụ nke ha n'ime ka ezi mmekọrịta na ịhụnanya dịkwa n'etiti di na nwunye. A gbachaa mbọ niile a, o nweghị isi, agbaa alụkwaghịm, site na ndị be nke nwaanyị ịkwụghachi nwoke ego o mere n'isi nwa ha nke a na-akpọ ngọ. Ịkwụ ngọ na-eweta alụmdi na nwunye n'isi njedebe, nke nwaanyị hụzịa di ọzọ ọ lụọ. Ịgba alụkwaghịm na-aka emetụta ụmụaka na ụmụnwaanyị, ya mere o ji dị mkpa ka ndị

na-aba n'alụmalụ buru ụzọ mụọ onwe ha nke ọma, hụ na ha pụrụ ịnagide onwe ha, ka nsogbu ịgba alụkwaghịm were belata.

Edensịbịa

Anozie, C.C. (2003). *lgbo kwenu: Akụkọ na omenala ndị lgbo*. Enugu: Computer Edge publishers.

BBC Igbo, (2018). "Divorce: Etu E si Eme Ya n'ala Igbo." https://www.bbc.com Accessed 27/8/2025.

Ekwealor, C.C. (1998). *Omenala na Ewumewu Igbo.* Onitsha: Palma Publishers.

Ifeka, O. R. (2019). "Ịgba Alụkwaghịm N'Ala Igbo: Nwaanyị Dịka Osisi Na-Ebu Apa Mma." https://www.researchgate.net 27/8/2025.

Landis, H. P. (1977). *Your Marriage and Family Living.* London: Mc Graw-Hill.

Nnụbia, S. C. (2011). "Ịgba alụkwaghịm n' Ozubulu" A Project for the Department of lgbo Language, Culture, Anambra State University, lgbaarim Campus.

Nzeakor, J.U.T. (1979). *Omenala Ndị Igbo*. Ibadan: University Press.

Okafọ, C.U. (2017). *Ọkacha Ụtọasụsụ Na Omenala Igbo (Lingwistiks lgbo) Maka Ule Sịnịo Sekọndịrị Na Kọleeji, W.A.E.C, N.E.C.O, G.C.E na JAMB.* Onitsha: Mid-Field Publishers.

Okey – Agbo, J. N. & Akaeze, C. M. & Iwuala, Z. & Achebe, L. A. (2023). "Ịgba Alụkwaghị n'Ụsoro Omenala Igbo: Obodo Igbo Atọ Dịka Ebe Mgbakwasị Ụkwụ." *Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies.* https://sgojahds.com Accessed 30/8/2025.

Onu Patomonic Printer & Publishers.mba, C. A. (2015). *A-Z Na Nchịkọta Agụmagụ lgbo.* Onitsha: Patomonic Printer & Publishers.

Onuorah, J. C. (2021). *Usoro Ọmụmụ Igbo Ụtọasụsụ, Agụmagụ na Omenala maka Sịnịọ Sekọndịrị.* Onitsha: Patomonic Printer & Publishers.

Osuagwu, B. I. N. (1979). *Ndị Igbo Na Omenaala Ha*. Onitsha: Macmillian Nigeria Publishers.

Onyekelu, A. C. (2023). *Alụmdi Na Nwunye Na Ịgba Alụkwaghịm N'ala Igbo N'oge Gboo Na Ka Ọ Dị N'oge Ugbua.* Igirigi: A Multi-Disciplinary Journal of African Studies. Vol. 3, No. 1. Powered by Myrasoft http://www.myrasoft.ng

Ubesie, T. (2004). *Ọdịnaala Ndị Igbo*. Ibadan: University Press.

Ugorji, C. na Wogu, D. (2025). "Ihe Chinyere Udoma Kwuru Gbasara Ịgba Alụkwaghịm." https://www.bbc.com 27/8/2025.